
IGBO – *“Who will deliver me?”*

# ỌNYE GADỌPUTAM ?

N’Otu ubọchi uka, anọm nime nuku obodo be otu eze nke di na Lesotho nekwu okwu-Chukwu n’uzọ nke di ebube. Igwe – madu ha na onye eze ahu na nwunye ya zukọtakwara inu okwu nke Chineke, Bu okwu ndu ahu di ike naghọkwa nkọ dika nma agha iruabua, nke mibara nime obi ha nile.

Mgbe mnekwu okwu ndia, Isi-nwanyi nke eze uku ahu, bu Ezenwanyi malitekwara nakwa akwa n’olu di ilu, guzokwa ọtọ na anya miri juru ya iru, Ọ nakwasi kwa akwa ike nime nwute nke di uku: “Onye gadọputam? Biko yerem aka, site na ọnyá di n’obim nihi na onye hujuworo anya na ogbenye ọnú ntu kam bu. Onye puru iyerem aka? Onye gadọputam naka oru nke ọnwu a nke jọgburu onwe ya? Gini kam gemekwa? Unu nile matakwaram, na abum nwunye (Eze-nwanyi) nke Eze, abukwam otu ndi òtú-ekpere umu-nwayi nke jewori uka ihe kariri oru-arọ nejechi ya anya, ma enwetakwaghim iye aka ọbula site nime ihe ndia, ha enwegh

**ONYE GADỌPUTAM ?**



Onye neme nmehie si n’ekwensu puta. (1 Jọn 3:8).

ike igbaputam n"oru, nmehie ekewom agbu. Abum onye ọñu nmanya, negbukwa madu. Ihe meruru emeru ka akam abua bu na ajọ-omume nihi na ha negbu egbu dika nmanya – beer, bu nmanya ahu aburu ọnú. Nmehie ekewo akam na ukwum agbu, abukwam onye nọ n'ulo nkpọrọ nke ọku-ala-mọ."

Owe kwa akwa n'obi di ilu nke uku ọzọ, mgbe ahu ka ọ nakwa n'oke olu si: "Yerem aka! Yerem aka! Onye gadọputam? Onye gadọputam site na nkpọrọ igwè njọ ndia? Ahurum Chineke nanya, ma na nmehie nachim, nmehie dọkpurum wedata ọku-ala-mọ. Egbuwom ọkparam mgbe ọdi na nwa-nta. Manya jurum anya oge mu ku – ya nazum, ha ọnọdu iju-manya ahu kam dara nala nakpọreghari we hipia isi ọkparam ahu bu nwa mu huru n'anya. Biko yerem aka dọputam naka-ọnwu a. Ọburu na mu bu onye amatagh Chineke, onyereghm aka ma-ọli. Ọburu na mu bu nani onye neje – uka, nka enwegh ike iyerem aka. Onye nwere ike ya yerem aka? Onye gadọputam?"

Mu we za ya si: "Udo diri gi. Ahuhu gi bukwa nke onye ọbula. Akwukwo Chineke, bu Bible, enyewo ọsisa nye akwa nke obi gi. (Rom. 7:15-25). Ọgwawo ayi etu nmehie si achi ayi, ma onye nwere-ike idọputa ayi nihi na amataram na ọdigh ezi ihe bi nimem (nke bu nime anu-arum); achọrọm ime nma, ma apughm ime ya. Nma nile kwesiri ka mu me ka mu emegh, ma na nmehie nke mu kpọrọ asi nke mu achọkwagh ime, nke ahu ka mu neme. Nmehie di nimem akwagidewom naka-ike kam naga n'iru nime ihe ọjọ, ma nma ahu mu chọrọ ime nezie ka mu emegh. Iwu Chineke ahu di nime ime natọ obim utọ. Ma iwu ọzọ dikwa n'arum nke nalu ọgú megide iwu nke uchem we nemem kam buru onye adọtara na agha nye iwu nke nmehie.

Ngwa Ngwa maọbu emesia n'ikpeazu, akwa a gabatakwa n'obi onye ọbula "O! Onye hujuru anya kam bu! Onye gadọputam? Ya mere ọburu na ayi akwara Chineke akwa Ọ g enyekwa ayi ọsisa ma dọputakwa ayi.

## ỌSISA


"Ya mere ọ buru na ọkpara geme ka unu pua n'oru unu gabu ndi puworo n'oru nezie." (Jọn 8:36).

Jesu bu ọsisa nye ajuju ayi nile. Ọsisa nye ajuju gi. Nzọputa adigh kwa n'onye ọbula ọzọ ma ọbugh na aha Jesus bu onye ayi gesi nwe nzọputa. (Ọlu Ndi Ozi 4:12). Ọbu nani Jesus gazọputa ayi n'aka nmehie ayi nile. Nani ọbara ọgbafuru n'elu obe puru isachapu ayi nmehie. Ọdigh dibia, ọdighkwa ọgwu, ọdigh dibiaam'osu ọdigh madu, ọdigh onye ọka-okwu nke Chineke, ọdigh ulouka (church) nwere ike izọputa ayi site naka nmehie. Nani Jesus bu nwaturu Chuku nebupu njọ uwa nile nwere ike izọputa gi site n'ọbara ya na nike Mọ Nsọ Ya.

Jesus, ọkpara Chineke biara n'uwa nka imeghe anya nile kpuruisi, ime ka o nye-nkpọrọ si nebe emechibidoworo ya puta ime ka ndi nanọdu n'ọchichiri si n'ulo-nkpọrọ puta Isaiah 42:6,7. Jesus kwuru si: "Onye – ọbula neme nmehie bu oru nye nmehie burukwa nke ekwensu ma ọburu na Ọkpara Chineke geme ka ipua n'oru, ipuwo-kwa n'oru nezie." (Jọn 8:34-36). Jesus bu ezi okwu ahu nke natọpu n'agbu.

Jesus bu ọkpara Chineke buru nmehie ayi n'aru ya je n'elu obe. Akpọgidekwara nmehie gi nile n'elu obe. Nezie oburuwo ihe ngbu na iru-uju ayi nile. Ma ya onwe Ya bu onye amapuworo site na njehie nile nke ayi. Onye azọpiaworo site na njehie nile nke ayi. Ahuhu – njehie nke udo-ayi di n'aru ya ọbu kwa ubiri – utari-ya ka ejiri me ka aru – ayi di ike. (Isaiah 53:3-7).

**EKELEM CHINEKE SITE NA JESUS KRAIST**




Onye nke ọkpara (Jesus) geme ka ọpua n'oru emewo ka ọpua n'oru nezie. (Jọn 8:36).

Barabbas bu onye jehiere ejehie nke uku na o gbu madu amara ikpeọnwu. Aghagh ikpọgide ya nobe, Ma Jesus were ọnọdu ya we buru obe ebe Barabbas gara anwu. Akpọgburu Jesus bu ọkpara Chineke na ọnọdu Barabbas, n'ọnọdu gi, na n'ọnọdum kwa, ma arapuru ogbu madu ka ọla n'udo nihi na onye ọzọ anwuchiteworo ya ọnwu.

Gi onwe gi, na mu onwem bu Barabbas ahu. Ugwọ-ọru nke nmehie bu

ọnwu ma onyinye amara nke Chineke bu ndu ebigh ebi site na Jesus Kraist. Ya mere ọburu na ijiri okwukwe legide obe nke Kraist anya gi onwe gi gahukwa na akpọgidewo nmehie gi nile nobe. Jesus ewerewo ọnọdu gi nelu obe ka iwe keta ndu ebigh ebi. Ọgbafuru ọbara ya ka ewe gbaghara gi nmehie gi nile nihi dika Chineke si hu gi nanya otua onyere ọbuna otu ọkpara ọmuru nani ya ka ighara ila niyi kama ka inwe ndu ebigh ebi.

Mgbe nwunye onye eze ahu nuru okwu ndia nile okwere na Jesus, werekwa obi ya dum nye ya bu onye nwuchitere ya ọnwu nelu obe, ma gbafukwa ọbara ya di oke onu iji we kpochapu nmehie ya mekwa ka ọdi ọcha. Ya were obi ya nke njọ meruru nye Chineke, Chineke nyeghachikwara ya obi ọhu nke juputara na Mọ Nsọ. Ọbugh nani na ọgbaghara ya nmehie ya nile kama ọdọputara ya naka ike na ibu – eze nke nmehie. Site na mgbe ahu ruo ọtutu arọ, ya malite nadi ndu mara nma, nwekwa ike nlugbu na nke ndu di ọcha. Ọñukwagh udi beer ọbula, ọñukwagh anwuru maọbu kpọ ya akpọ ọzọ, kama ọnadi ndu di ọcha we buru onye ama nye ezi okwu, Ya mere onye ọbula di nime Kraist Jesus emewo ya onye ọhu n'ebe ozuru ezu; "Ihe ochie agasiwo, le ha aghọwo ihe ọhu." (2 Kọrint 5:17).

Gi onwe gi kwa, onye nagu ihe a nwekwara ike pua n'oru site n'okwukwe nime Jesus Kraist. Jesus kwuru si: "Biakutenum unu ndi nile oke ibu nanyigbu, agam enye unu izuru-ike." Biakute Jesus otu ọbula isi di, maọbu ebe ọbula inọ. Gwa ya nmehie gi nile na nsogbu gi nile. Ọgagh achupu kwa gi, ma ọburu na iwere obi di ume ala biakute ya na obi di ọcha na nke kwere ekwe. Elegh anya ọburu na ineje uka na mgbe di anya ma nmehie kere gi agbu, Biakute Jesus, Ọ gatọpu gi na agbu ngwa ngwa. Otu aka ahu, mgbe emre ka onye ekpenta di ọcha na onye kpuru isi hu uzọ. Jesus di ka ọdi noge nile, ojikere igwọ obi tiwara etiwa ma zilaga onye nkpọrọ ka onwere onwe ya. Ọgbagharawo nmehie ayi nile. Ọgwọwo nria nria ayi nile. (Abu Ọma 103:3).

---

If you have found salvation in Christ, or have been otherwise blessed through our Gospel literature, please let us know. We would like to thank God with you, and remember you further in our prayers.

For **free** Gospel literature, books and tracts in over 540 languages, write to:

**ALL NATIONS GOSPEL PUBLISHERS**
**P.O. Box 2191, PRETORIA, 0001, R.S.A.**
(A Gospel Literature Mission financed by donations)
(Reg. No. 1961/001798/08)